# ABỤ AKWAMOZU ỌDỊNALA IGBO NDỊ A HỌỌRỌ: ỌNỌDỤ HA N'AKWAMOZU NDỊ ỌKA

**Ekwenugo, Precious Ujunwa**
**Department, Igbo, African and Communication Studies,**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka.**
**ekwenugopreciousujunwa84@gmail.com**

***Ụmịedemede***
*Abụ ọdịnala bụ ihe bara nnukwu uru na ndụ ndị Igbo. Ha ji ya egosipụta ọnọdụ ụwa, ọdịdị obodo, ihe kpatara ihe ndị merela n'ụwa a, nakwa ihe ndị ga-eme eme. Ndị Igbo ji abụ anọrị oge, kuzie ihe, kọwapụta nhụrụụwa ndị Igbo, sitekwa na ya kọchaa agwa ọjọọ ndị mmadụ dị iche iche ma tookwa agwa ọma. E nwere abụ dị iche iche banyere ọnọdụ dị iche iche n'ala Igbo ma abụ nke nchọcha a na-eleba anya na ya bụ naanị abụ akwamozu ọdịnala Igbo ndị a họọrọ: ọnọdụ ha n'akwamozu ndị Ọka. Abụ akwamozu bụ abụ ndị ahụ a na-agụpụta n'ebe mmadụ nwụrụ maọbụ a na-eme mmemme akwamozu onye nwụrụ anwụ. Abụ ndị a bụ nke e ji asụsụ dabara adaba na mmetụtaobi nke ọma ewepụta iji mee ka ha metụta ọgụụ na ndị ogentị na mmụọ. Mana taa, e nweela mgbanwe dị iche iche n'ebe abụ ọdịnala dị iche iche ndị obodo Ọka ji eme mmemme akwamozu n'ihi egwu ndị ụka na egwu ọgbara ọhụụ dị iche iche a na-akụpụtazị taa. Ebumnobi nchọcha a bụ ka e nyochaa abụ akwamozu dị ka o si metụta ọnọdụ dị iche iche oge mmadụ nwụrụ, ma zipụta ihe nkuzi dị iche iche abụ ndị ahụ na-akuzi. A gbasro atụtụ nnyocha ọkpụ na nchọcha a bụ nke na-egosipụta nkwenye na nsirihụndụ ndị Igbo site na akụkọ dike, akụkọ okike, akụkọ ndịichie, akụkọneegwu d.g. Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ usoro ọkpụ. A chọpụtara na abụ akwamozu so n'otu abụ ọdịnala ndị Ọka nwere nke ihe mmụta na ihe nkuzi jupụtara na ya. Ma taa, ọtụtụ ndị Ọka leghaara abụ ndị a anya, ha anaghịzị enwe mmasị na ya. Ọ bụ n'ihi nke a ka nwanchọcha ji wee họrọ isikwu a iji wulite mmọ ọtụtụ ndị Ọka n'ebe nkuzi ndị ahụ dị iche iche dị na abụ akwamozu dị. Nchọcha a na-atụnye aro ka ndị nchọcha nakwa ndị ọkammụta ndị nwere mmasị gbasara abụ ọdịnala mewaga nchọcha n'ihe gbasara abụ akwamozu ọdịnala Igbo ma detuo ya n'akwụkwọ ime ka o rue ụlọakwụkwọ nakwa ọbaakwụkwọ dị iche iche aka n'ala anyị maka ezi mmụta sitere na ya.*

## 1.0 Okwu Mmalite

N'ala Igbo nke Ọka bụ otu n'ime ya, e jighị akwamozu egwuri egwu ọkachasị n'oge gboo. N'oge gboo, ọ bụrụ na mmadụ nwụọ maọbụ e tie mkpu akwa maka ọnwụ, ntị ọ bụla nụrụ ya, ga-ahapụ ihe ọ bụla ọ na-eme ma gaba ebe ahụ ozigbo ịmara nke mere. Ọ bụrụ na ọ bụ mmadụ nwụrụ n'ezie, onye ọ bụla ọkachasị ndị ụmụnwanyị na-etiwa mkpu akwa ọ kachasị ọ bụrụ ezigbo mmadụ nwụrụ maọbụ mmadụ ọha bụ onye obodo jiri biri.

A bịa n'ala Igbo, e nwekwara abụ ọdịnala dị iche iche e ji mara ndị Igbo nke ha ji egosipụta etu obi dị ha, bụ nke abụ akwamozu so n'otu n'ime ha. Abụ ọdịnala ndị a nwere ihe dị mkpa ndị na-agụ ya jiri hiwe ya. Abụ ọ bụla nwere ihe dị oke mkpa ọ na-arụtụ aka n'ala Igbo dị ka eziagwa dị iche iche, ihe eziagwa maọbụkwanụ ezi omume mmadụ mere rụpụtara na ndụ ya, agwa ọjọọ mmadụ mere, ụgwọọrụ ọ na-enweta na ya.

Nwadike, (1992:32) kọwara abụ ọdịnala dị ka "abụ dị iche iche ndị Igbo ji ebi ndụ ha. Ndị Igbo nwere abụ maka ọnọdụ ọ bụla n'ụwa a. O nweghị ọnọdụ ọ bụla gba aka abụ. Nkọwa nke a na-ekwu na ala Igbo enweghị omenala maọbụ emume ọ bụla n'enweghị abụ e ji egosipụta ya. Dị ka n'ebe a na-alụ nwanyị ọhụrụ, e nwere abụ a na-eji egosipụta na a na-alụ nwanyị ọhụrụ dị ka abụ a bụ "Ada anyị metụrụ di gị oyibo na-arụ gị bụ mma mma", abụ a na-egosi na a na-alụ nwanyị ọhụrụ ebe ahụ.

E nwere ụdị abụ dị iche iche n'ala Igbo ndị gụnyere abụ ọnụ na abụ ederede nakwa ụdị ha dị iche iche. E nwekwazịrị ọkpọabụ dị iche iche nakwa mbunuche ha, ma abụ ndị mbịarachịwa nke buterela nsogbu na ebe ndị ntorobịa na ndị agbọghọbịa ala anyị na-eto eto nọ na-emegharị anya ha nke na o nweghịzị onye na-eleba anya n'ihe banyere abụ ọnụ otu o kwesịrị, ụfọdụkwa na-agụ egwu maọbụ mbem anaghị eche echiche n'egwu ha na-agụ, ma egwu ahụ o nwere ozi ọ na-ezi ndị ọhanaeze, ma o nwere ezi nghọta nke ga-ewepụta ihe abụ ahụ na-arụtụ aka na ya maọbụ na o nweghị. Oge gboo ọ dịghị otu a, ọ bụ ọnọdụ

a kpalitere isiokwu nchọcha a bụ, “Abụ Akwamozu Ọdịnala Igbo ndị a Họọrọ: Ọnọdụ ha n’Akwamozu ndị Ọka”. N’ihi nke a, ndị nchọcha ga-agbalị inyocha abụ akwamozu ndị Igbo na ọnọdụ ha dị ka o siri kwesị. Mkpa ọ dị site n’iji ya kwalite omenala na ezi akparamagwa na obibi ndụ ọma ọkachasị n’ebe ndị ntorobịa na ndị agbọghọbịa nọ.

## 2.0 Ntụleghari Agụmagụ

N’ebe a ka onye nchọcha ga-enyocha edemede dị iche iche ndị odee na ndị ọkammụta derela gbasara isiokwu nchọcha a. Nke a bụ ka a mata ebe ọrụ ha si yite maọbụ dị iche n’ederede a, ma mata ma o nwere mperi dị n’ọrụ ha nke a ga-eji ọrụ nchọcha a mechie.

## 2.1 Atụtụ Nkọwa

E nwegasịrị okwu ndị dị mkpa na nchọcha a kwesịrị ka a kọwaa ha nke ọma iji mee ka nchọcha a doo anya ma kwe nghọta. Ihe ndị ahụ gụnyere: Abụ akwamozu, Omenala na ndị Ọka.

**Abụ Akwamozu**

Abụ akwamozu so n’abụ ọdịnala n’ihi na ntọala ha e deghị ha ede nke a na-amata ndị chọpụtara ha. Ihe nke a pụtara bụ na abụ ọdịnala niile a gụrụ n’oge gboo enweghị onye dere ha n’ime akwụkwọ ọ bụla maọbụ depụta onye chepụtara abụ ahụ. Abụ akwamozu so n’otu abụ zuru Igbo niile ọnụ maka na o nweghị n’akụkụ ala Igbo a naghị agụ ha. Ọtụtụ ndị mmadụ edeela ihe dị iche iche maka abụ ọdịnala Igbo.

Uzochukwu (1990:37) kwuru na abụ ọ bụla nwere ihe ọ na-ekwu maka ya, o nwere ike na-ekwu maka onye okike na ihe ndị o kere, ọnwụ na ndụ, akụ na ụba, mmehie na mgbaghara wee dịrị gawa, ya bụ site na nkọwa Uzochukwu nyere abụ, o gosiri na abụ bụ ihe na-akpalite mmụọ ma bụrụkwa enyo e ji ahụ ihe na-eme na ndụ. Ụdị abụ e ji ọnụ agụpụta ka a na-akpọ abụ ọdịnala maọbụ abụ ọnụ.

Nwadike (1992:32-33) wepụtara nkenụụdị abụ ọdịnala n’ụdị a: uri/egwu, abụ ifo, abụ nwa, abụ mkpoku, abụ agha, abụ akwamozu, abụ arịrị, abụ ngoli, abụ okwu, abụ ntọaja/ofufe, abụ nzikọ/nkuzi, abụ ekere, ilu, agwụgwa, okwuntụhi.

N’ebe a, a ga-achọpụta na abụ nke Okafo na Ewelukwa (2012:307) kpọrọ abụ ekwerekwe dabara na nke Nwadike kpọrọ uri maọbụ egwu nakwa abụ nkọcha.

Nwankwo (1994:20) sịrị na “abụ bụ nkọwapụta ihe onye bu n’uche n’ụdị abụ otito maọbụ arịrị. Nke a pụtara na a na-eji abụ ezipụta etu ime obi mmadị dị mgbe ọ nọ n’ọnọdụ aṅụrị maọbụ mwute.

Nwadike (1992:19) kwuru na agụmagụ ọdịnala bụ agụmagụ e deghị ede, a na-akọ ma na-agụ ya n’ọnụ. Mmewere ya na-abụkarị akụkọ ọdịnala gbagidere ụkwụ n’ekere ụwa na ihe agba ochie. Ọ na-ewe oge dị iche iche e ji agụ ya dị ka n’abalị mgbe ọnwa na-eti. Emenanjọ, Okolie, Ekwe na Maduako (1994:10) kwuru na agụmagụ ọdịnala bụ “echiche miri emi gbasara isiokwu ọ bụla e tinyere ọdịnala n’agụmagụ, anyị agaghị ebu odide n’obi. Edemede bịara abịa na ndụ mmadụ.

Nke a pụtara na edemede bidoro ọhụrụ na ndụ ndị Igbo n’otu aka ahụkwa ka edemede siri bụrụ ọbịa na ndụ agbụrụ niile n’ala Igbo. Agụmagụ ọdịnala ebe a bụ echiche dịgasị iche na ndụ ndị Igbo mana e deghị ha ede. Anyanele, (2012:62) kọwara agụmagụ ọdịnala dị ka “akụkọ echereche nke metụtara usoro obibi ndụ, omenala, okpukperechi nakwa ọchịchị nke ndị Igbo.

Taylor (1981:40) kwuru na abụ bụ amamihe nke mmadụ nwere ike ịhụ ma ghọta ihe merela maka ya; ma were asụsụ nka zipụta ya nke ọma. Nkọwa ya na-ekwu otu ihe gbasara abụ, na ọ bụ echiche nke otu onye chepụtara nakwa amamihe mmadụ nwere ịhụ ma mata ihe merela ọ ma maka ya. Ebe a echiche na amamihe bụ otu ihe.

Mpekere edemede nke a zipụtara n’ahịrị abụ na-egosi ụfọdụ echiche dị omimi na mmetụta ahụ dị egwu. A na-edepụta ya n’okwu apịrị apị. Ọ dị omimi maka ọ na-achọ ikwu ọtụtụ ihe n’ime ahịrị abụ ole na ole; bụrụkwa nke na-eji okwu nka na atụmatụokwu ezipụta echiche.

Nkọwa a na-ekwu na abụ bụ nke na-anabata mmetụta ahụ dị egwu, okwu apịrị apị na echiche miri emi. Abụ na-anabata okwu nka, okwu nka ebe a pụtara, ilu, akpalaokwu, mmemmadụ dg. Okwu nka na-enye aka ka odee maọbụ ọkpọ abụ dee maọbụ kwụọ ọtụtụ ihe na mmewere okwu/ahịrị okwu ma bụrụkwa nke na-eme ka uche ọgụụ dị nkọ mgbe ọ na-agụ abụ. Proffitti (1981:7) sịrị na abụ dị ka nro nke na-egosi anyị ihe omimi .… Na nkọwa ya, o mere ka a mara na abụ na-ekpughere odee ihe dị omimi n'ụwa.

A maara na abụ nwere ihe ndị e ji mara ya nke ga-eme ka a mata abụ ebe ọ bụla a hụrụ ya. Abụ bụ asụsụ ka e ji ezipụta ya. Mgbe ụfọdụ, asụsụ ndị ahụ na-achọ echiche miri emi ka e wee ghọta ihe ọ na-ekwu maka ya.

Egudu (1997:2) sịrị na "Abụ bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ bụ ihe oyiyi nke na-egosipụta otu n'ime obi mmadụ dị mgbe ọ na-agụ abụ ma bụrụkwa ụzọ mmadụ si ekwupụta echiche ya". Nkọwa a na-ekwu na abụ bụ enyo e ji ahụ ime obi mmadụ site n'ụdị abụ ọ na-abụ ma bụrụkwa ụzọ mmadụ si ekwupụta echiche ya.
Ogunniyi (1971: xiv) dere "… ọ na ebute ọdachi n'etiti ụmụakwụkwọ na ndị nkuziụmụakwụkwọ na-ahụta ya ka ihe na-egbu oge ma na-ahịakwa ahụ ịghọta ebe ndị nkuzi na-ahụta ya ka ihe na-egbu oge ma na-ahịakwa ahụ nkuzi.

Nkọwa a na-ekwu na ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na-ahụta abụ dị ka ihe na-egbu oge, ahịa ahụ ikuzi nakwa ịghọta, ya mere ụmụ akwụkwọ na ndị nkuzi ji agbara abụ ọsọ. Ugonna (1980:20) mere ka a mara na "abụ bụ okwu dị n'ahịrịokwu n'ahịrịabụ maọbụ n'ọgbara n'ọgbara …" bụ bụ nke na-anabata ndanuusoro mgbe ụfọdụ, ka abụ ahụ tọọ ụtọ na ntị ma a na-agụ ya. "Ọ dị nnọọ ka m bụrụ Nnụnụ" nke Ogunjiofor dere dị n'Akpa Uche nwere ndanuusoro.

Abụ bụ nke na-ekwu maka otu ihe n'otu oge. Nke a pụtara na abụ na-ekwu maka otu isiokwu n'otu oge.

## 2.2 Omenala/Ọdịnala

Omenala bụ usoro ndị, obodo ma ọ bụ mba, si ebi ndụ ha nke e jiri mara ha ma bụrụ ihe mere obodo ji dị iche n'ibe ya. Omenala bụ ọrụ aka mmadụ, ọ bụghị ihe Chi kere kama o sitere na nsirihụndụ na nkwenye ha dị ịche ịche.

Ogbalu (1981:9) kọwara na omenala dị ka ihe anyị na-eme, otu anyị si ebi ndụ, ihe anyị na-eri, n'ihe anyị na-eyi n'ahụ, na etu anyị si eji ejiji, ihe e jiri mara anyị dị ka mba, bụ abụ anyị na-abụ, egwu anyị na-ete, omume na agwa anyị na-akpa. Nke a na-egosi na a naghị ewezuga etu ndị si eme ihe n'ime omenala ha.Usoro ndị si eme ihe, nkwenye ha, hibereisi n'omenala.

Ebisi (2015:31) kwenyere na nke a, ma kọwapụtakwa na omenala ndị Igbo bụ nchịkọta ekerechi nke mmadụ tinyere ihe niile siri n'uche mmadụ pụta ma bụrụ ihe a nabatara anabata. Nkọwa a gosiri na omenala bụ nkwenye ndị si n'ụbụrụ mmadụ pụta n'usoro e si eme ihe dị iche iche nke otu ma ọ bụ mba ahụ nabatara.

Anozie (2003:106) kọwara omenala dị ka ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si ebi ndụ, emume ha, ihe ha na-eri, ka ha si anabata ọbịa, ka ha si azụ ahịa, eyi akwa, n'ikele ekele. Anozie kọwapụtakwara na agbụrụ ọ bụla n'enweghị usoro ha si eme ihe, nwụrụ anwụ n'onwe ya, n'ihina omenala bụ otu ihe mere mmadụ jiri pụọ iche n'ebe ihe ndị ọzọ Chukwu kere eke dị.

## 2.3 Ndị bụ ndị Ọka

Ndị Ọka mejụpụtara otu n'obodo dị ịcheịche n'ala Igbo.Ọka bụ isi ochichi obodo Steeti Anambara. O bụ ogbe iri na ato mebere Ọka. Ọka bụ otu n'ime obodo ndị nwekarichara igwe mmadụ na mpaghara owụwaanyanwụ. E nwere obodo ndị gbara Ọka gbụrụgbụrụ. Obodo ndị ahụ bụ: Amaọbịa, Nibo, Nise, Okpụnọ Isiagụ Amansii, dg.

Ọka bụ obodo bara ụba na mmadụ. Otụtụ mmadụ bi n'Ọka, ụfodụ bụ ndị nweala ebe ụfodụ bụ ndị ọbịa. Mmalite obodo Ọka site n'akụko ntoala tara akpụ nke ụkwụ n'ikọwapụta. Ihe ndị bụtere ya bụ na ndị

okenye ndị nwere ike ịkọwapụta ntọala a anwụchaala. Nke ọzọ bụ na ndị foro afọ amaghị akwụkwọ, ya mere a jụo ajụjụ ha azaa n'ụzọ edochaghị anya.

Ndị okenye ndị a gbara ajụjụ onụ mere ka a mata na dịka e si kwụo, a maghị ebe Ọka si bia, kama e nwere ike kwụo na otụtụ ogbe dị n'ime obodo Ọka bụ ndị mejụpụtara ya bụ nke a ga-akọwapụta na ọtụtụ n'ime ha si esi bia. Dịka Akụudo Ezekpụe, otu na ndị a gbara ajụjụọnụ n'afọ (2014) kwụru ogbe a dị n'Ọka a na-akpo Amikwo si Ọmọọ bia. Nke a kpatara na ha bụ obodo dịbia bụ ihe e jiri mara obodo a bụ Omoo ha sitere na ya bia biri ebe ha bi taa Ụmụdịọka ka o kowara na ha si Nkanụ bia. O bụ ya kpatara oge ọbụla ha anaghị ekwe ekwe n'ihi na ndị Nkanụ bụkwazi ekweghị ekwe ka e jiri mara ha. Ogbe ọzọ o kowara biara abia bụ ndị Agụlụ. Ọ kọwara na ọ bụ out nwoke a na-akpọ Nwagụlụ onye si Agụlụ ụmana bia biri n'obodo Ọka bụ onye mmụba Agụlụ Ebe naasaa n'Ọka. Ọ mụtara ụmụ nwoke asaa, nke a mere a na-akpo ya Agụlụ ebe naasaa. Ha gụnyere ụmụonaga, ụmụogbụ, ụmụọrụka, ụmụike, ụmụojagwo, ụmụbeele, nakwa ụmụeri. Ọkowara na ebe mbụ nwoke a biara biri bụ Amikwo. E kwuru na, n'otu oge, o nwere, otu nwata nwaanyi onye Amikwo ọnya tara n'ụkwụ ma n'ihi na ndị ụzụ ji ihe ahụ ha ji asa ngwa ụzụ ha agwọ ọnya tara mmadụ, nne na nna nwata nwaanyi ahụ wee kponye nwoke a bụ onye ụzụ nwa ha ka ọ gwọọ ya ọnya ahụ site na mmiri o ji aza ngwa ụzụ ya. Ọ bụ n'isa ọnya ka nwoke a noro tụwa nwata ahụ ime. Ndị be nke nwaanyi kpọrọ nwa ha kpọnye ya ka ọ lụbazia ya ka ọ bụrụ nwunye ya. Ha abụo mụtaziri ụmụ nwoke asaa bụ Agụlụ Ebe naasaa dị n'Ọka taa. Nke ọzọ bụ na ikwunne ndị Agụlụ niile bụ Amikwo. Ọzọkwa bụ na ọ bụ ndị Agụlụ Ebe naasaa kụziiri Ọka niile ikpụ ụzụ.

## 2.4 Ntụle Atụtụ Edemede

E nwegasịrị atụtụ dị iche iche e ji atụcha edemede nchọcha. Nke mbụ bụ inyocha agụmagụ site n'atụtụ ọkpụ nke abụọ inyocha agụmagụ site n'ọdịnanya na ọdịdị ya, dg. Atụtụ a ga-agbaso na nchọcha a bụ atụtụ ọkpụ.

Uzochukwu (1999:48) kọwara na ihe e ji akpọ nke a usoro ọkpụ bụ na ọ bụ usoro gbarala afọ tọọ nwa', ya bụ e kwuo maka ya, anya agaa anyị n'usoro a n'ihi na ọ bụ usoro e jirila nyocha agụmagụ bido n'oge gboo ruo taa. Ọ kọwakwara na usoro ọkpụ a na-adị na ngalaba abụọ; ha bụ nnyocha gbadoro ụkwụ n'agụmagụ na n'akọ na ndụ na nnyocha gbadoro ụkwụ n'ezi agwa na n'ịtụle ihe omimi gbasara ndụ.

Dobie (2012:62-63) kọwara atụtụ a dị ka nke na-elebakarị anya n'ihe gbasara isiokwu, nhụrụnuche nakwa mgbaama ọkpụ bụ ndị pụtakarịchara ihe ugboro n'agụmagụ. Ọ kọwakwara na ndị nnyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị gbasara akụkọ ala, akụkọ dike na akụkọ ndụ dị iche iche.
Guerim (1992:6) n'echiche nke ya kwuru na onye nnyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị n'ebe akụkọ ala, akụkọ okike na akụkọ ndụ dị iche iche dị.

Atụtụ a bụ ọkpụ bara uru dị iche iche n'inyocha agụmagụ. Ọ bụkwa atụtụ a ka onye nchọcha ga-agbaso mee nchọcha ya n'abụ ndị a họọrọ n'ihi na ọ bụ ya dabara nke ọma iji wee nyocha abụ ọdịnala. Atụtụ a na-elekwasị anya na ọdịnanya mmetụtaobi na echiche nke abụ. Ebe ọdịdị ya na-elekwasị anya na ndoko na asụsụ abụ.

## 3.0 Nnyocha Edemede Nchọpụtaga

Ọtụtụ ndị ọkammụta agụmagụ dị iche iche emeela ọtụtụ nchọcha ma depụtakwa ọtụtụ ederede na ngalaba abụ ọdịnala dị iche iche. N'ebe a ka a ga-atụle nchọcha ha dị iche iche.

Ugonna (1982) lebara anya n'ọnọdụ na otuto abụ Igbo. Ọ chọpụtara na abụ Igbo na-eto eto n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Ọ kọwara na nke a ga-enyekwa aka ime ka asụsụ Igbo gbawanyesie mkpọrọgwụ ike. Udeze (2014) n'ederede ya rụtụrụ aka na nnyocha nhụrụụwa ndị Igbo n'egwu Ekpiri Ọzọemena Nsugbe. O mere ka a mata na Ozoemena Nsugbe na-egosipụtakarị nhụrụụwa ndị Igbo uru na ọghọm dị na ya n'egwu ekpiri ya.

Uchelue (2008) n'ederede ya lebara anya na Mbem na ndụ ndị Igbo. Ọchikọtara mbem ndị o jiri mee nchọcha wee kpebie na mbem dị ka o si metụta ndị Igbo bụ ihe ndị Igbo ji akasi, eto, emede obi, ma na-agba onwe ha ume. Ugonna (1982) lebara anya n'ọnọdụ na otuto abụ Igbo. Ọ gbadoro ụkwụ

n'akwụkwọ dị iche iche e bipụtara o ji mee nchọcha ya, wee kpebie na abụ Igbo na-eto n'ụzọ kwesịrị ekwesị. O mekwara ka a mata na nke a ga-enye aka mee ka asụsụ Igbo gbanyesie mgbọrọgwụ ike. N'aka nke ọzọ Nwakwo (2017) lebara anya n'isiokwu ya bụ, Mbem na ndụ ndị Igbo: Obodo ndị a họrọ. O mere ka a mata na mbem so n'otu ụzọ ndị Igbo si akwalite omenala na mmemme ha dị iche iche tinyekwara ụzọ ịkwalite aka ọrụ ha.

Ndiwe (2021) lebara anya n'isiokwu ya bụ nnyocha abụ otito ise na abụ ikpe ise dị n'ime akwụkwọ abụ *Ụtara Ntị*. O mere ka a mata ebe mgbakwasị ụkwụ n'inyocha abụ n'igosipụta ihe ndị na-akpata inwe mmasị n'abụ. N'ikpeazụ bụ ka ndị mmadụ wee hụ na ngalaba agụmagụ a bụ abụ dị ụtọ ma na-emepekwa anya ime echiche mmadụ. Ọ na-ezipụtakwa ajọ akparamagwa dị n'obodo anyị ma sitekwa n'ụzọ ọgbụgbama gosipụta ụgwọọrụ maọbụ ntaramahụrụ ga-esochi ihe ọjọọ ndị ahụ. A chọpụtakwara na ọ na-elebakarị anya n'ihe gbasakarịrị ịdụ ndị mmadụ ndụmọdụ.

Chinwuba (2014) lebwakwara anya n'isiokwu ya bụ "Abụ Ọdịnala Igbo dị ka Enyo Nsirihụ ndụ ndị Igbo. O mere ka a mata ụdị abụ ọnwụ dị iche iche, ihe ha na-egosipụta na ndụ ndị Igbo. N'aka nke ọzọ, Ekwenugo (2015) lebakwara anya n'Abụ ọdịnala Igbo dị ka Enyo Nsirihụndụ ndị Igbo: Nke ọmụmaatụ ya sitere n'Ọka. Ọ gbadoro ụkwụ n'abụ ndị ọ họọrọ wee mee nchọcha wee kpebie na o nweghị ọnọdụ kwụ nkịtị n'obodo Ọka nke enweghị abụ ọdịnala e ji ezipụta ha ma sitekwa n'abụ ọdịnala ndị ahụ zipụta ihe dị iche iche ha na-egosipụta na ndụ ndị Ọka. Ụzọchukwu (1982) lebara anya na nsogbu dị iche iche a na-enwe na ntụle abụ ọnụ. O mere ka a mata etu mmewere abụ si apụta ihe n'abụ ọnụ Igbo. O gbadokwara ụkwụ na ndịna na emereme wee kewaa abụ ọnụ Igbo.

Nnyigide (2015) lebara anya n'isiokwu ya bụ "Abụ Ekerechi Ederede Igbo nke ọ gbasoro atụtụ kegburugburu wee nyochaa. Ọ chọpụtara na ihe gbasara mmewere abụ ọkachasị asụsụ abụ Igbo ka na-agbogwoju ụfọdụ ndị mmadụ, ndị nkụzi, na ụmụakwụkwọ anya mere na ọtụtụ mmadụ enweghị mmasị na ngalaba abụ Igbo. N'aka nke ọzọ, ọ chọpụtara na ụfọdụ ndị mmadụ anaghị elekọta ụfọdụ ekerechi anya otu kwesịrị ekwesị. Ụfọdụ akparamagwa mmadụ na-emekpa ekerechi ahụ. Mmekpa ahụ ụfọdụ mmadụ na-enye ekerechi so eweta ụfọdụ nsogbu ekereụwa. Nke a pụtara na ụfọdụ ekerechi na-emekpakwa mmadụ ahụ n'ụzọ dị iche iche. Onah na Diala (2007) lebara anya n'isiokwu ha bụ ọdịdị abụ ederede Igbo kwesịrị ekwesị. Ha mere ka a mata ihe ndị na-akwalite ọdịdị abụ ederede Igbo dị ka: Isiokwu dabara adaba, asụsụ maọbụ nhụọnwụ, nhụrụuche dabara adaba. N'aka nke ọzọ ha mekwara ka a mata na ụfọdụ ndị odeabụ Igbo anaghị agbasocha ihe ndị a na-akwalite ọdịdị abụ n'ederede ha.

Onye ọzọ bụ Onuekwusi (2016) o lebara anya n'isiokwu ya bụ Abụ ọdịnala na ndụ ndị Owere n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ọ chọpụtara na ihe kpatara ụfọdụ ndị mmadụ ji agbarụ ihụ n'ebe abụ ndị Owere dị bụ na ha na-ejikarị olundị ndị Owere ezipụta ya. O mekwara ka a mata na ngwa egwu ọgbaraọhụrụ dị iche iche ewetala mgbanwe pụrụ iche n'usoro e si ezipụta abụ ọdịnala ndị Owere.

### 3.1 Nchịkọta Nnyocha Agụmagụ

Ka o siladị, n'agbanyeghị ihe niile ndị mmadụ na ndị odee kwurula ma dee banyere abụ ọdịnala, a chọpụtara na o nwekebeghị ọtụtụ nchọcha e merela nke gbadoro ụkwụ kpọmkwem n'abụ ọdịnala ndị Igbo ndị a họọrọ: ọnọdụ ha n'akwamozu ndị Ọka. Ọ bụkwa ọnọdụ a so n'otu ihe kpalitere edemede nchọcha a, iji tinye ọnụ n'izipụta Abụ ọdịnala ndị Igbo: Ọnọdụ ha n'akwamozu ndị Ọka.

### 3.2 Ọnwụ/Akwamozu

Ọnwụ bụ njedebe ndụ nke mmadụ n'elu ụwa. Ọ bụ ihe onye ọ bụla a mụrụ amụ n'elu ụwa ji ụgwọ ya. Oge mmadụ nwụrụ ihe niile gbasara onye ahụ na-esokwa ya anwụ. Onye ahụ na-akwụsị iku ume, iri nri maọbụkwanụ ije ije.

Opata (1988:172) kọwara ọnwụ dị ka ihe e nweghị ike ịgbanarị ọkachasị ihe ọ bụla nwere ndụ maọbụ ihe ọ bụla nwere ndụ site n'ọmụmụ ya. Onanuga, et al (2012:23) mere ka a mata na n'ala Igbo n'akụkụ ụfọdụ Afrịka mpaghara ndị ọzọ, e nwere ụzọ ọnwụ atọ. "Nke mbụ bụ mmadụ kara nka wee nwụọ. Nke abụọ bụ nke mmadụ jiri aka ya wee mete ihe gburu ya. O nwere ike ọ bụrụ onye na-aṅụ oke mmanya maọbụkwanụ onye ahụ ibute ajọ ọrịa wee nwụọ. Ebe ọ kọwara nke atọ dị ka mgbe mmadụ nwụrụ n'ihi nsị maọbụkwanụ mụọ mmiri gburu mmadụ. Nke a nwere ike ibụ onye ọgbanje, ọ bụrụ na oge ya na ndị otu ya kwetere ezuwo maọbụ ọ bụrụ onye megidere mmadụ ibe ya nke kpatara onye ahụ iji iwe obi wee

gaara ya na be dibia maọbụ tinyere ya nsị n'ihe oriri ka o rie wee nwụọ". Achebe (1986:27) kọwara na Ogbanje nwere ike ibute ajọ ọnwụ n'agbanyeghị nke a, na mmadụ nwere ike imegide onwe ya na ahụ ya site n'ụdịdị ndụ ọjọọ onye ahụ na-ebi nke ga-ebute imebi ime ahụ onye ahụ na ụmụ ihe dị n'ime ahụ bụ akụkụ ahụ ndị na-arụ ọrụ iji hụ na mmadụ nwere ndụ zuruoke. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ụfọdụ ụmụ ajọ mmụọ dị iche iche, nakwa ndị ajọ mmadụ bụ ndị a maara dị ka akarogheri nakwa ndị iro mmadụ ma ndị iro nke ime mụọ nwere ike ịgbanye mmadụ ajọ ọrịa n'ime ahụ bụ nke ga-ebutere onye ahụ ọnwụ ike. Akwamozu bụ ugwu ikpeazụ a na-akwanyere onye nwụrụ anwụ iji sị ya gaa ije ya nke ọma. Emeka (2019:60-61) kọwara na akwamozu bụ ugwu ikpeazụ ndị Igbo na-akwanyere onye nwụrụ anwụ iji sị ya gaa ije ya nke ọma.

Tupu ụbọchị akwamozu kpọmkwem, ndị inyom, bụ ụmụnwanyị a lụtara n'obodo ahụ maọbụ n'okirikiri ahụ na-akpata ukwu nkụ n'otu n'otu ma chute mmiri buga n'ezinaụlọ ahụ dị ka enyemaka nke ha nyere ndị ahụ na ntụnye nke ha iji hụ na ya bụ akwamozu gara nke ọma. Ha na-agakwa rụchaa ma zachasịa mbara ebe ahụ niile, ọ na-eti ka ọnwa. Ụmụnwoke na-egbukwa achara na igu ma owokọ, ma gbochisiekwa ebe e kwesịrị ime mgbochi n'iji kwadebe ya bụ ebe. Etu a ka e si eme akwamozu n'oge gboo bụ mgbe elu bụ ala ọsa, oge e ji mmadụ kpọrọ ihe karịa akụ, oge a na-emere ndị na-akwa ozu ebere, nakwa oge ndị na-akwaozu na-emekwara onwe ha ebere. Mana ugbu a, ọ bụrụ na mmadụ anwụọ kama a ga-eli ya, e buru ya dọba n'ụlọ nchekwa ozu, (Mọchụarị) ka a ga-asị na ọ bụghị kwa n'ala ka aga-eli ya. Ozu ahụ ga-anọ ebe ahụ mụọ ọtụtụ ego, tinyere ego ndị ọzọ a na-emefu na akwamozu ugbu a.

### 3.3 Ntụcha Ederede

N'ebe a ka a ga-agbaso Atụtụ Ọkpụ n'ịtụcha Abụ Akwamozu ndị Ọka Anọ ndị a họọrọ
Ọ bụkwa usoro Uzochukwu (1990:74) ka a ga-agbaso wee mee nchọcha. Usoro a dị ụzọ ihe abụọ a na-elekwasị anya na ha. Ha bụ Ọdịnanya na Ọdịdị ya. Ọdịnanya na-elekwasị na mmetụta na echiche nke abụ. Ebe Ọdịdị na-elekwasị anya na ndoko na asụsụ abụ.

**Abụ Akwamozu Osuso Ụmụnwanyị n'Ọka**

O chiri nne di ya Eze
O chiri nne di ya Eze
Ma nke ya nọkwa n'ụlọ
Eze amosu!

O chiri nne di ya Eze
O chiri nne di ya Eze
Ma nke ya nọkwa n'ụlọ
Ọ ga-eje eje!
O ji ikwe eke nri
O ji ikwe eke nri
Ma evere dịkwa n'ụlọ
Ọ ga-asa asa!

O ji ntu eje ije
O ji ntu eje ije
Ma ituru dịkwa n'ụlọ
Ọ ga-asụ asụ!

O ji di ya kpọrọ nna
O ji di ya kpọrọ nna
Ma nna ya nọkwa n'ụlọ
Ọ ga-eje eje!

O megburu nwaneeku
O megburu nwaneeku
Ma nke ya nọkwa n'ụlọ

Ọ ga-eje ozi!

Ndị Ọnọnkịtị
Enweghị efe
Ooooo!

Ndị Ọnọnkịtị
Enweghị efe
Ooooo!

Abụ a bụ nke a na-agụ n'ebe nwanyị gbara ajọ megburu nne na nna ya maọbụ nne di ya. Oge ụmụnwanyị na-agụkarị egwu a bụ oge a na-akwa onye ahụ nwụrụ anwụ. Ụmụada maọbụ ndị nwunyedi onye ahụ na-agba okirikiri wee na-agagharị. Oge a na-agụ egwu dị otu a, ọ bụrụ na onye ahụ gbara ajọ agafeta ha na-ebido gụsịwa egwu a ike na-akụcha aka n'etiti onwe ha. Ha na-eme nke a iji wee kọchaa onye ahụ. Mgbe ụfọdụ ha na-ama onye ahụ ime ma na-arụje aka ebe onye ahụ nọ oge ha na-agba okirikiri. Ha na-eme nke a iji wee gwa onye ahụ na ajọ agwa ahụ ọ na-akpa adịghị mma. Nke a ga-emekwa ma ọ bụrụ onye nwere mmụọ nchegharị ka o chegharịa ma mmalite ịkpa agwa ọma.

**Ọdịdị Abụ a:** Ndoko abụ a dabara nke ọma. Ọgụụ haziri abụ ya na nkeji na nkeji, e nwere nkeji asaa bụ ihe mejupụtara abụ a bụ egwu osuso ụmụnwanyị n'akwamozu. Nkeji nke mbụ na-akọwapụta maka ajọ nwanyị kpọrọ nne di ya amosu ma nne nke ya nọkwa n'ụlọ. Nkeji nke abụọ na-akọwakwa na o kpọrọ nne di ya Eze amosu ma nne nke ya nọ n'ụlọ nna ya ọ naghịkwa eje eleta ya, ya bụ na o nweghị onye ọ kpọrọ mmadụ na be nna ya ma be di ya. Nkeji nke atọ na-akọwa na efere ekweghị ya ọsịsa n'ihi ngana na ọ bụ ikwe ka o ji ekere nri kama ọ ga asakwa efere. Nkeji nke anọ na-akọwa na ahịhịa jupụtara na mbara ezi be ya ma o kweghị ya ọsụsụ. O kwere kama ịsụchapụ ahịhịa n'ihi na ọ bụ onye ngana ka ya gbara akpụkpọụkwụ nwere ọnụ mpịmpị wee gafere. Nkeji nke ise na-akọwa na naanị ihe ọ maara bụ di ya ma nna ya nọ n'ụlọ ọ naghị eje eleta ya anya. Nkeji nke isii na-akọwa mmegbu ọ na-emegbu nwaneeku bụ nwa ya na ya bi ebe o nwekwara nwa, ma ọ bụ naanị nwaneeku ahụ ka ozi niile di n'ụlọ dịịrị ebe nwa nke ya anaghị eje ozi. Nkeji nke asaa na-akọwakwa na ọ bụ onye enweghị ihe ọ na-eme maọbụ ihe ọ na-arụ ma o nweghị ihe bụ ozi a na-eje eje nke ọ na-ejenwu maka na ọ bụ onye ngana.

**Ndanusoro** nke abụ a gara nwayọ nwayọ.Nke a pụtara obi mwute n'ihi ajọ agwa nke ajọ nwanyị.
Abụ a nwekwara egbe okwu n'ime ya
Nkeji nke mbụ: O chiri nne di ya Eze
Nkeji nke abụọ: O chiri nne di ya Eze
Nkeji nke atọ: O ji ikwe eke nri
Nkeji nke anọ: O ji ntu eje ije
Nkeji nke ise: O ji di ya kpọrọ nna

**Akpaalaokwu:**
Nkeji nke asaa: Ndị ọnọnkịtị enweghị efe

Asụsụ abụ a dịkwa mfe na nghọta
Uru abụ ọdịnala bara bụ iji ụzọ ịgụpụta abụ gwa mmadụ ihe ọjọọ ọ na-eme nke ga-agbanwe mmụọ onye ahụ ka o chegharịa.

E nwekwara kwunkwukwa na nkeji niile nke abụ a

**Abụ Akwamozu gbasara Onye ndị Otu ya na-akwa n'Ọka**
Ọ nọ n'otu anyị jiri bịava
Ọ nọ n'otu
Ọ kwụzuru akwụzu anyị jiri bịavụ
Ọ kwụzuru akwụzu
Ọ bụrụ na ọ nọrọ ya anyị anava nụ o
Ma anyị ga-ejizi na ọ nwụrụ anwụ

Gbava ọsọ na ọ dụrọ mma

Abụ a bụ nke ndị nọ n'otu otu na-abụ mgbe onye otu ha nwụrụ. Nke a na-egosikwa inwe otu mmụọ n'otu ịhụnanya n'etiti onye nwụrụ na ndị otu ya na-akwa ya. Ọ bụkwa mmụọ nke ịdị n'otu a mere na ha na-ahụrịta onwe ha dị ka ụmụnne n'agbanyeghị na ha esiteghị n'otu ezinaụlọ maọbụkwanụ otu obodo. Nke a mere na ihe ọ bụla mere otu onye n'etiti ha na-emetụta onye ọ bụla n'ime ha. Nke a wee na-egosi nkwenye ndị Igbo gbasara nwanne dị na mba. O nwere otu mmadụ ga-abanye ma zute onye ga-emere ya ihe nwanne ya maọbụ nwanna ya enweghị ike imere ya na ndụ a.

**Ọdịdị abụ a**: Ndoko abụ a nwere naanị otu nkeji nke nwere ahịrị asaa
Ndanusoro: Abụ a gara nwayọ nwayọ
**Asụsụ**: Ọgụụ webatara olundị n'abụ ya.
O nweghị akpaalaokwu batara n'ime ya.
**Mmetụtaobi**: abụ a na-egosi ịhụnanya nke dị n'etiti ndị otu na onye nke ha nwụrụ anwụ.
Enwekwara kwunkwukwa n'abụ a
Ahịrị nke mbụ na nke abụọ
Ọ nọ n'otu
Ọ nọ n'otu
Ahịrị nke atọ na nke anọ
Ọ kwụzuru
Ọ kwụzuru

### 3.4 Nchịkọta Nchọpụta

Na nchọcha a, e lebara anya n" Abụ Ọdịnala ndị Igbo ndị a Họọrọ: Ọnọdụ ha n'Akwamozu ndị Ọka." A chọpụtara na abụ akwamozu bụ ihe ndị Igbo wepụtara iji sị onye nke ha nwụrụ anwụ gaa nke ọma ma site n'otu aka ahụ kụziere ndị dị ndụ ihe ha kwesịrị ịghọta gbasara ụwa anyị nọ n'ime ya. O gosikwara n'aka nke ọzọ na abụ akwamozu ọdịnala so n'otu usoro e ji enye mmadụ ndụmọdụ ma na-agbakwa ihe ọjọọ n'anwụ iji mee ka onye ji nke dị njọ hapụ ya ma were nke dị mma. N'ịganihu, abụ ọdịnala nwere ọnọdụ dị elu n'ala Igbo nke Ọka bụ otu n'ime ha ma baara ha ọtụtụ uru n'oge gboo karịa n'oge ugbu a.

Ọzọ, nchọcha e mere n'ihe gbasara abụ ọdịnala akwamozu ndị Ọka adịkebeghị ọtụtụ, ọ bụkwa ya mere na ndị agba ọhụrụ enwekebeghị ihe ndị ga-enyere ha aka ịmata ihe abụ ọdịnala akwamozu na-akọwa maka ya. Ọ bụ nsogbu ndị a kpatara na ọ dị mkpa ka e mewaga nchọcha miri emi ma depụtakwa ihe niile a chọpụtara n'akwụkwọ.

A na-atụ anya na onye ọ bụla gụrụ nchọcha a ga-ebido nwebe mmasị n'ebe abụ akwamozu ọdịnala Igbo dị, ọ kachasị iji ya akuziri ụmụaka ihe nakwa iji ya akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ dị iche iche n'ihi na ọ bụ otu ụzọ ndị Igbo si akụziri ụmụ ha amamihe n'oge gboo bụ nke bara nnukwu uru.

### 4.0 Aro na Mmechi

Ndị Igbo, bụ nke obodo Ọka so n'otu n'ime ha bụ ndị e ji abụ ọdịnala dị iche iche mara nke abụ akwamozu bụ otu n'ime ha. Abụ ọdịnala Igbo bara uru nke ukwuu na ndụ ndị Igbo n'oge gboo, n'ihi na ọ bụ ya ka ha na-eji anọrị oge, kụzie ihe, kọchaa mmadụ ma gbazikwa ndị mmadụ ime ihe ọma. Ha nyere ya ọkwa dị elu. Ọ dị mkpa ka e nyekwa abụ ọdịnala ọkwa dị elu n'oge a dị ka ọ dị n'oge gboo maka na ọ ga-enye ezigbo aka na ndụ ndị Igbo, site n'iwelite ọnọdụ asụsụ na omenala Igbo. N'aka nke ọzọ, o kwesịrị ka e nye abụ ọdịnala ogo kwesịrị ya n'ụlọakwụkwọ dị iche iche dị ka, ọtakara, praịmarị, nakwa sekọndịrị dị ka e si nye ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Ọ ga-adịkwa mkpa ka ndị nne na nna na-agba mbọ ịhụ na ha na-agụrụ ụmụntakịrị ha abụ ọdịnala Igbo nke abụ akwamozu bụ otu n'ime ya. Ọkachasị ndị ahụ ihe nkuzi jupụtara na ya. A tụrụ anya na nke a ga-eme ka ndị ntorobịa kwụsị inwe mmasị n'ịbanye otu nzuzo nke mere na n'oge a, na a na-agbagbuzi ndị ntorobịa ka a na-egbu ụmụ anụmanụ. Nke a bụ ihe ga-enye ezigbo aka, mgbe nne na nna gụchara abụ ndị a ma kọwaara ụmụ ha ihe mmụta dị na nke ọ bụla. N'ihi na ọ bụ n'ụlọ ka ụmụaka na-esi amalite ndụ ha.

N'ikpeazụ, o kwesịghị ka ndị Igbo tufuo enyo ha bụ abụ ọdịnala ụmụ ụmụ ga-esi na ya hụ ndụ, mmemme na agwa nna nna ha. Ndị Igbo kwesịrị inupụta n'igwe tụkọọ arọ ọnụ n'ihi na a nyụkọọ mamịrị ọnụ ọ gbaa ụfụfụ maka ịchọpụta ụzọ ha ga-esi weghachite abụ ọdịnala azụ ka ọ dị etu ọ dị n'oge gboo n'ihi na obodo ọ bụla tufuru ihe e ji mara ha abụrụla obodo nwụrụ anwụ.

**Edensibịa**


Achebe, C. (1986). *The World of Ogbanje.* Enugu: Fourth Dimension.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo kwenu* (Akụkọ na Omenaka ndị Igbo). Enugu: Computer Edge Publishers.

Anyanele, U.S. (2012). *Fundamentals of Igbo Studies for $L_2$ Learners.* Enugu: Paschal Communication.

Chinwuba, O. (2014). "Abụ Ọdịnala Igbo Dịka Enyo Nsirihụndụ Ndị Igbo." Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Dobie, A.B. (2012). *Theory into Practice: An Introduction to Literary Citicism.* New York: Wadsworth Cengage Learning.

Ebisi, T.E. (2015). "Culture and Cultural Expressions in Nigeria*"* In Ikenna Alumona & Cynado Ezeogidi (Eds.) *Nigerian Peoples and Culture:* A Reader Enugu: Ryce Korex Publishers.

Egudu, R.N. (1997). *The Study of Poetry.* Ibadan: Oxford University Press.

Ekwenugo, P.U. (2015), "Abụ Ọdịnala Igbo Dịka Enyo Nsirihụ Ndụ Ndị Igbo: Nke Ọmụmaatụ ya sitere n'Ọka. Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Emeka, I.E. (2019).*Usoro Ọgbako Ụmụakwụkwọ maka Ụbọchị Wednezdee*. Nsugbe: Anchor Publishers.

Emenanjo, E.N., Okolie, O., Ekwe, U. & Mmaduako, N. (1994). *Igbo maka siniọ Sekọndịrị*. Ibadan: University Press.

Guerin, W. L. (1992). *A Handbook of Critical Approaches to Literature.* New York: Oxford University Press.

Ndiwe, S.C. (2021). Nnyocha Abụ Otuto Ise Na Abụ Ụtara Ntị", Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Nnyigide, N.M. (2015). Abụ Ekerechi Ederede Igbo: Nnyocha site n'Atụtụ kegburugburu. Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ.* Nsukka: Ifunanya Publishers Nigeria.

Nwankwo, C. (1994). *The Study of Igbo Poetry.*Nsukka: University of Nigeria Press.

Ọgbalu, F.C. (1981). *Igbo Institution and Custom.* Onitsha. Vasity Press.

Ogunniyi, D. (1971). *A New Poetry Book for College and Schools.* Ibadan: Onibo Noje Press.

Onah, C.S. and Diala, P. N. (2007). Decorum in Igbo Poetry" in Anasiudu B.N.G.I. Nwaozuzu, C.N. Okebalam (Eds). *Language and Literature in a Developing Country Essays. In Honour of Professor Benson O.A. Oluikpe*, Ibadan: African First Publishers pp. 64-79.

Onanuga, S. et al. (2012). *The Business Culture of the Igbo: A Model for he Nigeria Economy:* Lagos: Silverpen.

Onuekwusi, L.C. (2016). "Ọnọdụ Abụ Ọdịnala na Ndụ ndị Owere n'oge gboo na n'oge ugbu a. Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Opata, D. (1988). Death and Reincarnation as Window into the Nature of Existence Among the Igbo. Essay on Igbo Worldview (pp. 107-125). Enugu and Nsukka: Ap Express and Auto century.

Profit, E. (1981). *Poetry: An Introduction and Anthology*. Houghton Wifflin.

Taylor, R. (1981). *Understanding the Elements of Literature.* London: Macmillian Press.

Uchelue, O.B. (2008). "Mbem na Ndụ Ndị Igbo". Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Ugonna, N. (1982). "The Growth of Igbo Poetry" in Ugonna, N. (Ed) *Journal of Society for Promoting Igbo language and Culture.* N0. 1pp. 20-25.

Uzochukwu, S. (1990). *Akanka na Nnyocha Agụmagụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers.

Yeasks, W.B. (1974). "*Adams Curse" in Collected Poems,*. New York: Macmillian.